# MMIRI NKE SITERE NA NKUME; MMERIEMERIRI AMALEK

## Ọpupu 17:1-16

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 59 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ndi nāchọ JEHOVA ọ digh ezi ihe ọ bula gākọ ha" (Abù Ọma 34:10).**

**Mmiri Adị ghị**

Ọ dịghị anya mgbe Ụmụ Israel malitere ijè ha ọzọ, ha wee malite kwa ịda mbà -- ọ dịghị mmiri dị agaañụ. Ha naeje ijè ha dịka iwu Chineke si dị, nke pụtara na ogidi igweojii ahụ ebiliwo site n'ọnọdụ ya wee gaa n'iru. Otú a ka Chineke si due ndị Israel ná nwagharị ha niile: " Ọ bu kwa n'ebe igwe-oji ahu bi. N'ebe ahu ka umu Israel nāma ulo-ikwu-ha"; ma mgbe o biliri ha eso-ya (Ọnu-ọgugu 9:17). Anyị matara na ha naeme uche Chineke n'ịga njèm ahụ, ma onyeiro nọ nso ime ka obi ha daa mbà.

OnyeKraist gaahụ́, na dịka ọ naeji ndụ ya naachụàjà nye Chineke n'ijèozi, na ịnọ Kraist nso karịa, na Setan gaewebata ọdachi dị icheiche n'ụzọ ya, náekwunye kwa okwu obiabụọ nime ntị ya. Ọ chọghị ịhụ́ OnyeKraist ka ọ naaga n'iru, ọ gaeme ihe niile o nwere ike iji gbochie onye ahụ náalụsi ọ̀gụ̀ ike iso Onyenweanyị.

Moses, esitewo n'ike Chineke, mee ka ndị ahụ nke nọ n'orù nwere onweha, bụ́ nke ha gaenweworị obi ekele n'ihi ya. Kama nke a, ngwangwa ịdambà bịara, ha wee chọọ ime ka ọ nwụọ. Ha sị na ọ kpọbatawo ha nime ọzara ime ka ha nwụọ.

**Mmiri Sitere Na Nkume**

Moses maara ihe ọ gaeme mgbe ọ nọ ná nsogbu; ọ kpọkuru Chineke. Jehova nọ n'ebe ahụ ịzà ya. Ọ gwara Moses ka o were mkpan'aka ya, bụ́ nke o jiworo lụọọlụ ebube dị icheiche n'Ijipt, ka o jee were ya tie nkume ahụ, bụ́ nke Ọ gaje izi ya, na mmiri gaesi na ya pụta. Moses gaasịworị na nke ahụ bụ ihe anaapụghị ime -- o nwereike ikwu nke a ma ọ bụrụ na ọ dị otú ụmụ Israel niile ọzọ dị -- kama o kwere ihe Chineke kwuru, wee mee dịka agwara ya. Chineke sịrị na ya gaeguzo n'iru ya n'elu óké nkume ahụ, eleghịanya n'ogidi igweojii dịka O meworo na mgbe garaaga; na ndịokenye ahụ ndị gaesoro Moses gaabụ ndịàmà nke ọlụebube nke Chineke isi na nkume kpọrọnkụ̀ wepụta mmiri. Ọlụebube ahụ mere dịka Chineke si kwue na ọ gaeme, ndị ahụ wee ñụọ site na mmiri ahụ, afọ wee ju ha.

**Kraist Nkume Anyị**

Pọl ji ihe a nke mere wee gwa anyị eziokwu dị ukwuu nke ihe mmụọ; na I Ndi Kọrint 10:4, "Ha nāñu miri nke si na nkume nke mọ nke soro ha, nkume ahu bu kwa Kraist." Site na nkume ahụ ka ndụ nke anaahụ́ anya si pụta, n'ihi na ọ bụrụ na ha achọtaghị mmiri, ha niile gaalaworị n'iyi. Otú a kwa nime Kraist ka anyị naenwe ndụ ebighịebi, ma ọ bụrụ na anyị ga anọgidesiike ịñụ site n'olùlùmmiri nke nzọpụta. Jisọs gwara nwanyị ahụ nke nọ n'olùlùmmiri, na mmiri nke Ya Onweya gaenye ya gaeme ka akpịrị ghara kwa ịkpọ ya nkụ̀ ọzọ, na ọ gaabụ "isi iyi miri nāsuputa ri nne rue ndu ebigh-ebi" (Jọn 4:14). Ọ naekwu ihe banyere nzọpụta Ya, Mmụọ Ya nke ganaebi nime nwanyị ahụ mgbe o si nime mmehie chigharịa. Ụfọdụ nime Ụmụ Israel ghọtara ihe mmiri ahụ nke sitere na nkume pụtara n'ụzọ ihe nke mmụọ n'ihi na onye dere Abù Ọma sịrị "Ha we cheta na Chineke bu óké nkume-ha" (Abù Ọma 78:35). (Lee kwa Deuteronomi 32:4, 15, 18, 31.)

**Agha**

Nsogbu ọzọ chere Ụmụ Israel iru ugbu a. Ọ dị ndịiro nke bi n'ala ahụ, ndị pụtara ibuso ha agha. Mba kachasị ike n'ọzara ahụ bụ ndị anaakpọ ndị Amalek. Ha nwere akụkụ ụfọdụ n'ala Kenean, ya mere ha gaecheworị na ihe niile ha nwere nọ n'ọnọdụ dị egwù n'ihi na ndị Hibru naeche iru n'ụzọ ahụ. Ma ọ gaabụ na ha maara na ndị Israel eburuworị àkụ̀ nke ndị Ijipt, ha wee chọọ izunara ha ihe n'ori. Ihe ọ bụla gaabụworị ihe ha bu n'uche, ha bịara n'àzụ́ ọmụ̀mà ụlọikwu nke ndị Israel wee buso ndị nọ n'àzụ́ agha.

Ugbu a anyị nwere onye ọzọ anaezi anyị ihe banyere ya, onye anyị gaanụ ihe dị ukwuu banyere ya n'akụkọ ụmụ Israel. Moses rọpụtara Joshua ka ọ bụrụ onyeisi nke ndịagha ha. Anyị gaecheta na Ụmụ Israel bụrị ndịorù na ọ dịbeghị mgbe ha nwere ndịagha; ma Moses nyere Joshua iwu ka ọ rọpụta ndịkom ndị ọ chọrọ iji gaa busoo ndị Amalek agha.

Joshua gaje ịbụ óké onyeisi ọchịagha. Mgbe Moses nwụrụsịrị o duru ndị Israel gabiga Jọdan wee baa n'ala Kenean, ebe ha gaenweta ala ahụ site n'ibu agha. O meriri mba isii na ndị eze iri atọ na otù n'agha nke arọ isii. Emesịa o wee kewasịa Ala ahụ ekwere ná Mkwà nye ebo dị icheiche. Ihe mere Joshua ji nwee ọgan'iru ukwuu dị otú a bụ na ọ naanọ nso Jehova, wee kwueokwu ahụ amaara nkeọma, "Ma mu onwem na ulom, ayi gēfe JEHOVA òfùfè" (Joshua 24:15). Okwukwe na ntụkwasịobi ya nime Chineke n'ihe niile, bụ ihe nyere ya mmeri. Náánị otù mmeri ka emeriri ya n'agha nke Ai, bụ́ nke kụziri ya mkpà ọ dị irubeere Chineke isi n'ihe niile.

**Mmeri Site N'ekpere**

Joshua duru ndịkom ya jee n'iru agha; ma mgbe ha pụtara n'ebe ahụ ibu agha, otù ihe dị mkpà karịa malitere ime n'elu ugwu ntà ahụ nke dị n'elu ha. Moses rịgoro n'ebe ahụ ile otú esi alụ agha ahụ; ma mgbe ọ bụla o weliri mkpan'aka Chineke elu ndị agha nke ha ga náenwe mmeri; ma mgbe aka ya dị arọ o wee mee ka ha zuruike ndị

Amalek ewee náemeri. Mweli nke Moses naeweli mkpan'aka ya n'Eluigwe bụ ụdị ikpéekpere. Ewezuga ekpere ọ dịghị ihe ndị agha ya pụrụ ịlụpụta. Anyị nwere ike ịnaedebe òfùfè nrò dị icheiche, anyị nwere ike ịna ekwu ihe banyere Kraist na Alaeze Ya; ma ọ bụrụ na anyị ejighị ekpere dị ukwuu kwagide omume anyị niile, ọ dịghị ihe ọ gaalụpụtara Chineke. Ekpere bụ ihe náakwalite ihe niile nke anyị naemere Chineke ka ọ naaga n'iru.

Ma ike gwụrụ Moses. Ekpere naeme ka ike gwụ arụ; ma ọbụrụ na anyị ekpeghị ekpere mmehie gaemeri. Anyị naahụ kwa n'ebe a otú o si dị mkpà na anyị niile gaakwagide ndịisi anyị n'ekpere. Eron na Hua na Moses rịgoro n'ugwu ahụ, ha wee doziere ya ebe ọ gaanọdụ ala, otù onye naeguzo ya n'aka nke a onye nke ọzọ n'aka nke ọzọ wee bulie aka ya elu, ụbọchị ahụ niile. Otú a ka ha si nyere Moses aka ikpedata mmeri nye ndịagha ha, ewee merie ndị Amalek.

**Ọbụbụọnụ abụrụ Ndị  Amalek**

Ụmụ Israel ganaecheta mmeri a; ka ewee debe ncheta ya nye ọgbọ niile nke dị n'iru, agaede ya n'akwụkwọ. Chineke kwuru okwu ọbụbụọnụ megide ndị Amalek n'ihi agha ha busoro ndị nke Ya, O wee chọọ ka Joshua cheta na agaje ikpochapụ ha otù ụbọchị n'ihi mmehie ha. Ka anyị cheta ndị Amalek, wee rịba kwa ámà agha niile ha busoro mba nke a n'ọdịn'iru, na otú esi kpochapụ ha.

Moses wuru ebe ịchụàjà nke ifè Chineke òfùfè, wee kpọọ ya Jehova-nisi -- Jehova ọ̀kọ̀lọ̀tọ̀m. Anyị gaecheta na Abraham, Aisak na Jekob ewuwororị Chineke ebe ịchụàjà; ma mgbe ahụ Ụmụ Israel nọ n'Ijipt, ọ dịghị ihe anyị nụrụ banyere ebe ịchụàjà ọ bụla. Nke a naamalite oge ọhụụ nke akụkọ ndị Hibru bụ́ mgbe ha nwere otù ebe ifè òfùfè.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òlee otú Ụmụ Israel gaesi nweta mmiri?
2. Ònye bụ óké nkume ahụ?
3. Òlee ebe anyị naenweta mmiri ahụ náenye ndụ?
4. Òlee ndị náebuso Ụmụ Israel agha? Hà nwere mmeri?
5. Ònye bụ onyeisi ọchịagha nke ụsụụ ndịagha ọhụụ ahụ?
6. Òlee otú o si merie n'agha ahụ?
7. Gịnị bụ ihe gaeme ndị Amalek n'ọdịn'iru?